Jiri Ihe Ndị Dị Nsọ Kpọrọ Ihe!

Otú ị ga-esi mee ya: Nọrọ n'ebe ụzụ na-adịghị mee ihe omume a. Mgbe ị na-agụ amaokwu ndị a, were ya na ị nọ mgbe ihe ahụ ị na-agụ mere. Jiri uche gị kirie ebe ọ na-eme. Nụrụ ihe ndị nọ n'ebe ahụ na-ekwu. Gbalịa ka ị ghọta otú obi dị ndị ị na-agụ akụkọ ha. Ka ihe ị na-agụ yie gị ka ọ na-eme eme ugbu a.

Ndị bụ isi n'akụkọ a: Aịzik, Ribeka, Jekọb, na Isọ

Nchịkọta: Isọ resịrị Jekọb, bụ ejima ya, ọnọdụ ya dị ka diọkpara.

❶ ***CHEBARA OTÚ IHE A SI MEE ECHICHE.—GỤỌ JENESIS 25:20-34.***

Olee àgwà ndị Isọ na Jekọb kpara mgbe ha ka nọdị n'afọ nne ha? _____

_____

_____

Olee otú i chere Jekọb na Isọ dị mgbe ha bụ ụmụ okorobịa? _____

_____

_____

Olee otú i chere obi dị Jekọb na Isọ mgbe ha na-ekwurịta ihe ahụ dị n'amaokwu nke 30 ruo nke 33? _____

_____

_____

LEBAKWUO YA ANYA.

Jiri ihe ndị e ji eme nchọnchọ i nwere chọpụta ihe ụfọdụ banyere ihe ndị ruuru diọkpara. Olee ihe ndị mere ihe ndị ahụ ji dị mkpa? Olee ihe Isọ ire ihe ruuru ya dị ka diọkpara n'ihi otu efere nri pụtara? _____

_____

_____

❷ ***CHEBARA OTÚ IHE A SI MEE ECHICHE.—GỤỌ JENESIS 27:1-10, 30-38.***

Olee otú i chere obi dị Isọ site n'ụda olu ya mgbe ọ ghọtara na nwanne ya ana-rala ngọzi diọkpara? _____

LEBAKWUO YA ANYA.

Ribeka na Jekọb hà mejọrọ ihe mgbe ha mere ka Jekọb nweta ngọzi ahụ a gaara enye nwanne ya nwoke? Gịnị mere i ji zaa otú ahụ? (Ihe ga-enyere gị aka: Gụọ Jenesis 25:23, 33.)

3 ***MEE IHE Ị MỤTARA. DEE IHE Ị MỤTARA BANYERE . . .***

Ihe ndị na-esi n'ịchọ igbo agụụ ngwa ngwa apụta.

ỤZỌ NDỊ ỌZỌ Ị GA-ESI MEE IHE Ị MỤTARA.

Olee ihe ndị dị nsọ e nyefere gị?

Olee ụzọ ndị i nwere ike isi gosi na i ji ihe ndị dị nsọ kpọrọ ihe?

4 ***OLEE IHE KACHA BAARA GỊ URU N'AKỤKỌ A? Ọ̀ BỤ MAKA GỊNỊ?***

www.jw.org © 2011 Watch Tower Bible and Tract Society of Pennsylvania